# NNUPỤISI NKE NDỊ ISRAEL MEGIDE CHINEKE
## Ọnu-ọgugu 14:1-45
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 102 -- Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nime Chineke ayi nēme ihe dinkpà: ọ bu kwa Ya Onwe-Ya gāzọda ndi nākpagbu ayi" (Abù Ọma 60:12).**

**Iwepụ anya N'ebe Onyenweanyị Nọ**

Ụmụ Israel ahụ abịaruwo nso ókèala nke ala Kenean, ma ugbu a ha ekwewo ka enweghị obiike nápụ ha ọñụ nke ngọzi niile ya. Mgbe ha jeworo ijè ha na ìgwè ewu na atụrụ niile ha na ụmụntakịrị ha ihe karịrị otù arọ̀, ugbu a ọ gaabụworị inwta ala ahụ dị mma nke jupụtakwara ná mkpụrụ na mmiriara ehi na manụañụ. Ma ha ewepụwo anya ha n'ebe Onyenweanyị nọ, ha enweghị kwa ike ịhụ́ ngọzi ahụ niile.

Náagbanyeghị otú anyị si fee Chineke n'oge garaaga n'ikwesị ntụkwasịobi, ọ bụrụ na anyị ewepụ anya anyị na Jisọs wee ghara ikpéekpere na ịgụ Okwu Ya ka anyị wee mata ihe niile nke Ọ naachọ ka anyị mee, anyị enweghịike ịbà n'Eluigwe. Jisọs lara n'Eluigwe idozi ebe nye ndị hụrụ Ya n'anya; ma ọñụ nke anyị gaenwe mgbe anyị ruru ebe ahụ karịrị nghọta anyị. Ma asịkwarị na anyị erutewo nso ọnụụzọ nke Eluigwe ma nye mmehie ohere igbeba ná ndụ anyị, anyị agaghị abà kwa n'ebe ahụ inweta ọñụ nke ngọzi niile ahụ bụ́ nke edoziworo anyị.

**Ịgbasa Akụkọ Ọjọọ**

Ndịnledo ahụ ndị hụworo ezi ihe niile nke ala Kenean tụrụ egwù nke ndị bi n'ebe ahụ, ha wee gbasa akụkọ náatụ egwù gburugburu Ụlọikwuu niile nke Israel. Obi adịghị Chineke mma n'ebe ndị nledo ọjọọ ahụ nọ O wee zite ihe otiti nke tigburu ha niile. Ma otú ọ dị ha emebiworị ihe. Nsí ahụ nke bụ enweghị ojujuafọ ya na enweghị nrubeisi n'iwu Chineke agbasawo n'etiti Ụmụ Israel. Ha wee kwá ákwá n'ihi na ha tụrụ egwù nke ndị okoroukwu ahụ. Ndịkom dị ike nke Israel kwara ákwá ka ndị náadịghị ike. Chee uche ụdị ihe nlụpụta dị egwù nke akụkọ ọjọọ nke mmadụ iri ahụ lụpụtara. Óké ìgwè ndị Israel wee jupụta n'egwù.

N'ihi ịtụegwù ha, edughachiri Ụmụ Israel azụ̀, ịwagharị nime ọzara ahụ arọ̀ iri atọnaiteghete (39), ha eketaghị kwa ọñụ nke ala Kenean ahụ. Obodo ọma nke emere ka o rue ha iketa ya ka ha tụfuru rue ebighiebi. Ụmụ ntakịrị ha, ndị ha kwuru na ha gaanwụ n'ọzara, bụ ndị nke mesịrị keta ala ahụ.

Lee otú anyị gaesi lezieanya ka anyị ghara ime ka obi daa nwa Chineke ọ bụla mbà! Ọbụná okwu olenaole nke ekwuru náechèghị échìchè nkeọma pụrụ ime ka okwukwe mmadụ daa mbà; ọ̀ gaghị abụ ihe dị óké egwù maọbụrụ na anyị emee ya ka ọ ghara iketa Eluigwe?

**Ndị Okoroukwu na Ọ̀gùgù**

Ndị dike nke Kenean ha dị egwù n'ezie? Ndị Israel ha kwesịrị iche n'onweha na ha dị ka ogugu n'anya ndị ahụ? Keleb na Joshua échèghị échìchè otú ahụ. Ha abụrụwo kwa ndị nledo, jégharịa kwa ala ahụ gburugburu ma ha hụkwara ihe niile nke ndị nledo, iri ndịọzọ ahụ hụrụ. Ma ha lere anya n'ụzọ dị ịche. Ha nwere anya nke okwukwe, ma ha matakwara na Chineke gaemeriri ha n'agha ha niile. Ha kwere na Chineke wee sị "Anyị puru ime ya nke-ọma" inweta ala ahụ. Ha sịrị na ihe nchègide nke ndị Kenean ewezugawo onweya, na "nri ayi ka ha bu."

**Amamihe nke Joshua**

Joshua bụ onye isiagha nke ndị Israel, ọ bụ kwa onye kwesịrị ntụkwasịobi na nwoke maara ihe nke mere na emesịrị rọpụta ya idú ndị ahụ gafee ofe Jọdan. Ọ bụrụ na ihe egwù dị n'ezie, ị naeche na ọ gaghị amata ya? Anyị maara na Joshua na Keleb matara ebe ike ha dị n'ihi na ha sịrị "Nání, unu anupu-kwa-la isi n'aka JEHOVA, unu onwe-unu atu-kwa-la egwù ndi ala ahu; … JEHOVA nọnyere ayi." Ha matara na ọ bụrụ na Onyenweanyị nọ n'akụkụ ha na ha gaemeri n'agha ọ bụla. Ma ndị ahụ enweghị ike ige ntị olu ndị nledo ahụ ndị wetara ezi akụkọ. Emewo ka obi lọọ ha mmiri nke na ha pụrụ iche náání ajọ ihe n'obi ha. Ha chọrọ onyendú ọzọ, onye ga edughachi ha n'Ijipt ahụ jọgburu onweya.

**Ijipt, Ụdị Mmehie**

Anyị amụwo na Ijipt bụ ụdị mmehie, ma Chineke akpọpụtawo ndị nke Ya site nime ya. Ugbu a mgbe obi ịda mbà batara, ha chọrọ ịlaghachi àzụ̀. Mà ha naalaghachikuru gịnị? Ha abụworị ndị orù nke Fero, ha alụwo kwa ọlụ siriike n'okpuru ndị náachị ha n'ihe ike. Nime ihe ilú ha ka ha tikuru Onyenweanyị, Ya Onweya wee napụta ha. Gịnị gaabụworị ọnọdụ ha ma asị na ha laghachiri? Ná arụghị ụka eze ọjọọ ahụ gaara enye ha óké ahụhụ n'ihi na ha gbara ọsọ, ọ gaemewokwarị ka ibu ha dị arọ̀ nke ukwuu. Kama, Ụmụ Israel adịghị mgbe ha chere uche banyere nke a. Nke a naabụ kwa ọnọdụ nke onye rapụrụ ijéijè dịka nwa Chineke ma náalaghachi nime mmehie. Setan bụ onye náachị

n'ihe ike karịsịa, ọ gaebokwasị onye mmehie ahụ óké ibu dị arọ̀. Ewezuga kwa nke ahụ, ahụhụ ebighiebi naechere onye ahụ daghachịrị azụ̀ ma ọ bụrụ na o chègharịghị ọzọ. N'oge hour nke obi ịda mbà mmadụ nweike ịsụ ngọngọ chee kwa na ọ pụghị kwa ijigide okwukwe ahụ; ma n'oge ahụ o kwesịrị ịdaberesiike n'Onyenweanyị inye ya ume, ma ghọta kwa nkeọma na ọnọdụ jọkarịrị njọ na echere ya ma bụrụ na o bughị agha ahụ dịka OnyeKraist.

Chineke gaakpochapụworị ndị Israel kpamkpam n'ihi nnupụisi ahụ ma asị na Moses na Eron ekpeghị ekpere siriike maka ha. Ha gwara Chineke na mba niile dị gburugburu naele ndị Israel anya n'ijè ha, ha matakwara na ha bụ ụmụ Chineke. Ọ bụrụ na O kpochapụ ha, ndị ahụ naekpere arụsị gaekwu na ezi Chineke ahụ adịghị ukwuu karị chi niile ha naefe; na Ọ pụghị kwa idú ha baa n'ala nke O kwere ná mkwà. Chineke nụrụ arịrịọ nke Moses na Eron ma kwee mkwà na ebere gaesoro ikpé ahụ nke Ọ gaje iweta. Chineke bụ Onye eziokwu  n'okwu Ya nke Ọ sịrị na ha agaghị abà n'ala Kenean, kama Ọ gaenye ha iri arọ̀ anọ  iji chègharịa.

Nime ọtụtụ arọ̀ ndị niile nke Ụmụ Israel nọ náawagharị n'ọzara ha enwewo ọtụtụ ohere inwe mwuta otú ha si náanọgide náekwenyeghị na Chineke. Mgbe ha were óké ahụhụ náánị ha onweha nwe ịta ụta ya niile. Mmehie ha ewetaworo ha nsogbu a niile. Ha naanagide ahụhụ ndị ahụ niile n'ihi na ha ekwenyeghị Okwu nke Chineke. Ha ekwenyeghị n'Onyenweanyị mgbe Ọ sịrị na Ya ga náeje n'iru ha ma lụkwara ha agha ha niile.

Onye ozi bụ́ Pọl naagwa anyị ná Ndị Hibru isi atọ (3) na ọ bụ n'ihi ekweghị ekwe mere ka ha ghara ịbà n'Ala ahụ ekwere ná Mkwà. Ụmụmmadụ n'ụbọchị taa adịghị échèmi uche ná ekwenyeghị okwu nke Chineke bụ mmehie. Ọbụná ụfọdụ ndị Kraist adịghị eche ya na ọ bụ óké ihe ọjọọ mgbe ha náadịghị ekwenye ụfọdụ nime mkwà niile nke Chineke. Ma ọ bụ ihe egwù bụ́ inwe obiabụọ n'ebe Chineke nọ. Ọ bụrụ na Ụmụ Israel abànyeghị n'ala Kenean n'ihi ekweghị ekwe, anyị onweanyị nwereike ghara ịbànye n'Eluigwe náabụghị n'ihi mmehie ọzọ karịa na anyị nwere obiabụọ n'akụkụ ụfọdụ nke okwu Chineke.

Ọ bụrụ na ụmụmmadụ kwenyere n'ezie na ahụhụ ebighebi nke ọkụalammụọ naechere ha n'ihi na ha ekwenyeghị na Chineke, ị chere na agaenwe ọtụtụ ndị mmehie? Ọtụtụ mmadụ ndị náabụghị ndị Kraist adịghị ekwenye ihe edere na Baịbụl maọlị, ụfọdụ ndị náasị na ha kwere, ma ha naenwe kwa obiabụọ n'ihe Baịbụl kwuru banyere ọkụalammụọ. Ha naenwe olileanya na ụzọ gaadịrị ha ịpụta mgbe ọnwụ gasịrị, maọbụ eleghịanya na ọkụalammụọ adịghị ọjọọ dịka esi akọwa ya. Ọ bụ ọlụ nke setan iwepụ échìchè nke ụmụmmadụ pụọ n'ikpé ahụ ọbụná rue mgbe ohere nchègharị na agaghị afọdụ kwa nye ha. Oge naabịa mgbe ebere náagaghị adị kwa nye mmadụ ọ bụla, náagbanyeghị otú ha si gbalịsieike ịgbanarị ahụhụ ahụ.

**Ntụgharị obi nke Ndị  Israel**

Mgbe Moses gwasịrị ndị Israel ihe ikpé nke Chineke bụ nye ha, ha mara jijiji n'échìchè otú ha wagharịrị n'ọzara arọ̀ iri atọ na iteghete (39) nke náabịa n'iru ha wee kpebie ijé lụso ndị Kenean agha. Ma ekwubiwo ihe ọnọdụ ha gaabụ̀. Ekpebiwo ikpé Chineke ma iru Ya anọghị kwa n'etiti ha. Ọ bụụrụ ha ihe nzuzu ugbu a ịgbalị n'ike nke onweha imeri ndịiro ha. Lee ụdị ọnọdụ dị otú a! Chineke esiwo n'etiti ha pụọ!

Moses rịọrọ Ụmụ Israel ka ha ghara ime omume nzuzu site n'ịnwa ịga ibu agha n'ike nke onweha, ma ha akwụsịghị. Ha biliri jee ibu agha megide ndị Amalek ahụ -- ma lee ụdị mmeri emeriri ha! Ndị Amalek bụ kwa otù ndị ahụ nke ha tigburu na mbụ náenweghị nsogbu site n'inyeaka nke Chinehe, ugbu a ha tigburu ha wee chụọ ha, ha wee gbaghachikuru Moses onye náanọdụ n'ụlọikwuu ahụ.

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee ndị nledo nke ndị Israel kwenyeere?
2. Gịnị ka akụkọ ha lụpụtara n'ebe ha nọ?
3. Gịnị ka ha chọrọ ime?
4. Gịnị bụ ikpé Chineke nke bịakwasịrị ha?
5. Gịnị ka ndị Israel chọrọ ime mgbe ha nụsịrị mkpebi nke  ikpé ahụ?
6. Moses ò soro ha jee?
7. Gịnị mere mgbe ndị Israel busoro ndị Amalek agha?